# KRAIST ZỤRỤ PUKU MMADỤ ISE (5,000) MA JÉÉ KWA IJÈ N'ELU ÓKÉ OSIMIRI

## Matiu 14:13-36

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 93 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ya mere wedanu onwe-unu n'okpuru aka di ike nke Chineke, ka O we welie unu elu n'oge nke Ya; nātukwasinu Ya nchegbu nile unu nēchegbu onwe-unu, n'ihi na ihe nile banyere unu nēmetu Ya n'obi" (I Pita 5:6, 7).**

**I Enyejuru Puku Mmadụ Ise (5,000) ahụ Afọ**

1. Jisọs kpọrọ Ndịozi ahụ ka ha bịa n'ọzara zuruike, mgbe ha si ná mkwusa njégharị lata, Matiu 14:13; Mak 6:30-32; Luk 9:10
2. Ìgwemmadụ sooro ha wee mee ka ha ghara izuruike ha, Matiu 14:13; Mak 6:33
3. Jisọs, ebe O juru n'ọmiko, gwọrọ ọrịa ha ma gwa ha maka alaeze Chineke, Matiu 14:14; Mak 6:34; Luk 9:11
4. Jisọs nwapụtara Filip, Jọn 6:5-7
5. Andru chọpụtara otù nwaokoro ntà onye ji ogbe achịcha ise na azụ abụọ, Jọn 6:8, 9; Mak 6:38; Matiu 14:17.
6. Ndị náesoụzọ Ya chọrọ izilaga igwemmadụ ahụ ma Jisọs naasị "Unu onwe-unu nye ha ihe ka ha rie." Matiu 14:15, 16; Mak 6:35-37; Luk 9:12
7. Jisọs gwara ndị ahụ ka ha nọdụ ala n'usoro dị mma, Matiu 14:19; Mak 6:39, 40; Luk 9:14, 15; Jọn 6:10
8. Jisọs gọziri achịcha na azụ ahụ wee nye ndị náesoụzọ ya ka ha kesaara igwèmmadụ ahụ, Matiu 14:18, 19; Mak 6:41; Luk 9:16; Jọn 6:11
9. Ìgwemmadụ ahụ riri, afọ jukwara ha, nkata iri na abụọ wee fọdụ, Matiu 14:20; Mak 6:42, 43; Luk 9:17; Jọn 6:12, 13

**II Jisọs naaga Ijè N'elummiri**

10. Ndị náeso Ya ji ụgbọ mmiri náaga mgbe Jisọs naezilaga igwemmadụ ahụ, Matiu 14:22; Mak 6:45
11. Jisọs gara ikpeekpere náánị Ya, Matiu 14:23; Mak 6:46, 47; Jọn 6:14, 15
12. Ndị náesoụzọ Ya tụrụ egwù mgbe ha hụrụ Jisọs ka Ọ naaga ijè n'elummiri, Matiu 14:24-26; Mak 6:48-50; Jọn 6:18, 19
13. Jisọs nyere ha okwu ịgbaume, "Ọ bu Mu unu atula egwù," Matiu 14:27; Mak 6:50; Jọn 6:20, 21
14. Pita naaga ijè n'elummiri, Matiu 14:28-33
15. Agwọrọ ndị ọrịa, Matiu 14:34-36; Mak 6:53-56

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Izuike Nye Ndị Ike Gwụrụ**

Mgbe Ndịozi ahụ jezuru ozi mkwusa njégharị ha, ha latara wee kọọrọ Jisọs ihe niile ha lụworo. Jisọs, ebe Ọ chọpụtara mkpà ọ dị ka ha nwee izuike nke anụarụ, wee kpọọ òkù sị ha, "unu onwe-unu bia iche n'ebe bu ọhia, ka unu zuru-ike nke-ntà" (Mak 6:31). Ihe banyere ndị ike gwụrụ naemetụ Jisọs n'obi, "Biakutenum, unu nile ndi nādọgbu onwe unu n'ọlu, ndi ebowo-kwa-ra ibu di arọ, Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike" (Matiu 11:28). Mgbanwe nke isite n'etiti igwe mmadụ pụọ wee nọọ iche naeweta izuike nye anụarụ na akwara nke ike gwụrụ, ma izuike nke mkpụrụobi naabịa náánị mgbe asachapụrụ mmehie n'obi. Ọtụtụ mmadụ naagba ọsọ ijé n'ọzara, ugwu, maọbụ n'akụkụ óké osimiri ịchọ izuike, mgbe ha kwesịrị ịbịakute Jisọs maka nnapụta pụọ n'ibu arọ́ nke mmehie.

**Obiọmiko na Ịlụọlụ**

Ọ bụ ezie na Jisọs pụrụ ka O wezuga onwe Ya n'ebe igwe mmadụ nọ, ọ bụghị na O were iwe, maọbụ kwanụ na O nweghị ntachiobi mgbe ha chọpụtara ebe ahụ Ọ naezuike, kama O nwere ọmiko n'arụ ha. Mmetụta dị omimi nke O nwere n'ebe ha nọ kpaliri Ya ịlụọlụ -- "Me ndi-nrianria-ha ka aru ha di ike." Emesịa mgbe ndị náesoụzọ Ya chọrọ izilaga igwemmadụ ahụ ka ha gaa zụrụ iheoriri, Jisọs sịrị, "Unu onwe-unu nye ha ihe ka ha rie." Obiọmiko apụtaghị ihe ọ bụla ọ bụrụ na ọ kpalighị mmadụ ịlụọlụ. Jemes kwuru sị, "Ọ buru na nwa-nna-nwoke ma-ọbu nwa-nne-nwayi gba ọtọ, nēnwegh kwa ihe-oriri gēzuru ya kwa-ubọchi, ma otù onye n'etiti unu

si ha, labanu n'udo, nyanu ọku, riju-kwa-nu afọ; ma unu enyegh ha ihe nākpa aru-ha; urù gini ka ọ bara?" (Jemes 2:15, 16).

"Ọ digh ha mkpà ka ha la" bụ okwu nke Kraist mgbe ndị náesoụzọ Ya chọrọ izilaga igwemmadụ ahụ. Mkpụrụobi ọ bụla agụụ naagụ nke náabịakute Jisọs ka anaagaghị ezilaga n'aka efù. "Ngọzi nādiri ndi agu ezi-omume nāgu, ndi akpiri nākpọ kwa nku na ya: n'ihi na ndị ahụ ka afọ gēju" (Matiu 5:6). Ọ bụghị náání na Jisọs lekọtara ihe banyere mkpà ha nke náadị nwaoge, kama O "we gwa ha okwu banyere ala-eze Chineke" (Luk 9:11). Nke a bụ ọchịchọ Ya, ka ụmụmmadụ nweeike ichègharị ka ewee mụbata kwa ha n'Alaeze Chineke. Ozi nke Jọn Onyeọwụmmiri, onye ebipụworo isi na mgbe náadịghị anya abụrụworị "Chègharianu; n'ihi na ala-eze elu-igwe di nso" (Matiu 3:2).

**Ọlụ ebube Dị icheiche**

Jisọs, ebe Ọ chọrọ ịnwapụta Filip, jụrụ sị, "Òle ebe ayi gāzuta ogbe achicha, ka ndia we rie ihe?" (Jọn 6:5). Ọ dị ka ọ bụ ihe anaapụị ime n'ebe Filip nọ, ma Jisọs chọrọ ka ọ mata na "apuru ime ihe nile n'ebe Chineke nọ" (Matiu 19:26). Otù nime ihe siri ike nye ụmụmmadụ taa bụ ikwenye na Chineke ka naalụ kwa ọlụ ebube. Ụfọdụ naekwu na ụbọchị niile nke ọlụebube agasịwo; ndịọzọ na agbalị ịgọnarị ọlụ ebube niile nke Chineke lụrụ nke dị na Baịbụl. Ma ọ bụ kwa ike ahụ nke náalụọlụ ebube ka ejiri káá Oziọma a akàrà ná mmalite, ma otù ihe ịrịbaàmà ahụ ka naeso kwa mkwusa nke ezi Oziọma ahụ n'ụbọchị taa. Asị na ọ bụghị site n'ike ahụ náalụọlụ ebube nke Chineke, agaghị enyejuworị puku mmadụ ise (5,000) ahụ afọ site n'ogbe achịcha ise na azụ abụọ. Náání ma ejiri ike nke Mmụọ Nsọ wepụta Okwu Chineke nke bụ Nri náenye Ndụ, ọ gaabụ ihe náezughị òkè inyeju mkpụrụobi niile agụụ na agụ afọ.

**Weta Ya Nye Jisọs**

Andru sịrị, "Otù nwa-okoro ntà nọ n'ebe a, onye ji ogbe achịcha barley ise, na azu abụa: ma ndia bu gini n'etiti ọtutu madu di otú a?"

Ma nzaghachi nke Jisọs bụ "Chita ha n'ebe a nyem." Ọ bụrụ na mmadụ niile gaamụta ihe mmụta nke a – wegara ya Jisọs! Ọ bụrụ na mgbalị gị ezughị òkè, talent gị dị kwa ntà, Jisọs naakpọ gị, "Chita ha n'ebe a nyem." Onye ahụ nke weere ogbe achịcha ise na azụ abụọ nyejue puku mmadụ ise afọ "puru imebiga ókè nke uku ri nne kari ihe nile nke ayi nārịọ ma-ọbụ nke ayi nātughari uche" (Ndi Efesọs 3:20). Ihe oriri jupụtara nkata iri naabụọ wee fọdụ mgbe mmadụ niile richara wee riju kwa afọ.

**Usoro**

Ọ bụ ike Chineke ka eji alụ ọlụebube ọ bụghị site ná mkpali arụ, maọbụ ime ihe mmadụ nwereike ime. Jisọs gwara igwè mmadụ ahụ ka ha nọdụ ala n'usoro dị icheiche nke iriise iriise na narị narị n'elu ahịhịa ndụ dị n'ebe ahụ. O wee lee anya n'Eluigwe gọzie achịcha ahụ. Lee ụdị ngọzi dị ebube nke ahụ bụ! lee kwa ihe dị iche ọ lụpụtara mgbe ndị náesoụzọ Ya naara nri ahụ wee náekesara igwèmmadụ ahụ! Ọ bụ náání otú anyị natara n'aka Onyenweanyị ka anyị gaenweike inyepụ. Ụfọdụ pụrụ ịnaatụle ihe mere anyị n'arịọ maka ngọzị ahụ, maọbụ ihe anyị ji náenyeghachi ekele mgbe anyị richara nrị; ma gịnị gaeme ka anyị ghara inwe obi ekele nye Onye ahụ nke nwereike inyeju puku mmadụ ise afọ (5,000) site n'ogbe achịcha ise na azụ̀ abụọ, Ọ bụ kwa otù Jisọs ahụ bụ́ Onye ihe banyere anyị naemetụ n'obi?

**Ndị Ahụ Náejé Ozi**

Ndịozi ahụ bụ kwa ndị kèrè nri ahụ. Jisọs sịrị, "Nwa nke madu abịagh ka ejere ya ozi, kama ka O je ozi" (Matiu 29:28). N'ihi nke a ụmụ Chineke bụ ndị akpọrọ taa ijéozi. Agwara anyị ka anyị "atukwasila uche n'ihe di elu, kama ka ndị ọnọdu-ha di ala nādọrọ unu iso ha" (Ndi Rom 12:16). "N'ihi na onye ka ibe-ya uku, onye nānọdu ná nri, ma-ọbu onye nēje ozi?" ka Jisọs jụrụ O wee webata okwu ndịa, "Mu onwem di n'etiti unu ka onye nēje ozi" (Luk 22:27). Isoro Onyenweanyị pụtara ndụ nke ijéozi na obiumeala.

**Oge Ikpé Ekpere**

Ụbọchị Jisọs zubere inwe izuike tụgharịrị wee ghọọ ụbọchị ịlụ óké ọlụ nke jupụtara n'ịgwọ ọrịa dị icheiche, mkwusa, na inyeju igwè mmadụ afọ. Ọ bụ ezie na Jisọs enweghị oge izuike, ma O wepụtara oge irigoro "n'elu ugwu ahụ iche ikpé ekpere.." Ụbọchị anyị niile nwereike jupụta n'ọlụ, ike anyị wee fọdụ ntakịrị ka ọ gwụsịa, ma ka anyị soro nzọụkwụ nke Jisọs wee wepụta oge ikpé ekpere. Ọtụtụ mgbe, ka arụ ike gwụsịrị naenweta ike ọhụụ mgbe o weresịrị oge ntà kpee ekpere. Náarụghị ụka, Jisọs nwere ume ọhụụ maka ijè Ya n'elummiri nke ebili na amagharị mgbe O kpesịrị ekpere. Anyị gaenwe kwa ike ịgabiga ebili mmiri dị icheiche mgbe anyị kpesịrị ekpere.

Ọ bụ na nche nke anọ, maọbụ n'etiti elekere atọ rue na nke isii nke ụtụtụ, ka ndị náesoụzọ Jisọs hụrụ Ya ka Ọ naejé ijè n'elu mmiri. Na mbụ, ha amataghị Ya, ma mgbe ha tiri mkpu n'ihi egwù, Jisọs mere ka obi ha dajụọ site n'ịgwa ha okwu ndịa: "Nwenu obi-ike; ọ bu Mu: unu atula egwù." Ọtụtụ oge nime nsogbu maọbụ ọrịa anyị adịghị aghọta na Onyenzọpụta nọ nsọ; ma bụrụ na anyị etikue Ya nime mkpà anyị ahụ, anyị gaanụ olu Ya náasị, "Ọ bu Mu: unu atula egwù."

### Ilegide Jisọs Anya

Pita chọrọ ijekuru Jisọs n'elummiri, o nwekwara ike nọgide n'elummiri ahụ ka oge ra ọ naelegide Jisọs anya. Ma mgbe o legidere mmali nke osimiri anya, egwù tụrụ ya, o wee malite imikpu. Ka oge ra anya anyị naadị n'ọgwụgwụ nke ijé a, anyị gaenweike ijéru ya; ma ọ bụrụ na anyị amalite ile ihe dị anyị gburugburu anya, anyị gaabụ ndị egwù lomiri wee mikpue náenweghị olileanya. Ịgbaàmà nke Pọl bụ "Mu onwem agugh onwem na ejidewom rue ugbu a: ma otù ihe ka m'nēme, ebe m'nēchezọ ihe niile di n'azu, nēsetipu kwa aka n'ebe ihe nile di n'iru di, anamagbakuru óké igba-ọsọ ka m'we nata ihe anāgbata n'ọsọ nke ọkpukpọ di elu nke Chineke nime Kraist Jisọs" (Ndị Filipai 3:13, 14).

### Ekpere Nke Pita

Mgbe Pita malitere imikpu, náánị ihe ọ pụrụ ime bụ itimkpu sị, "Onye-nwe-ayi, zọputam," n'otù ntabianya ahụ Jisọs setịpụrụ aka Ya wee jide ya. Nke ahụ bụ ekpere dị nkénké, ma o sitere n'obi eziokwu nke onye náemikpu emikpu. Ọtụtụ mkpụrụobi ndị nọ n'enweghị olileanya etiwo mkpu sị "Onye-nwe-ayi, zọputam," wee nwee mmetụta nke aka ahụ esetịrị esetị maka nnapụta.

### Okwukwe

"Onye okwukwe ntà, n'ihi gini ka iji nwe obi abua? Okwukwe gaebuli mmadụ n'elu osimiri, ma obiabụọ gaemikpu mmadụ nime mmiri. Pọl nyere anyị ngụkọta dị ebube nke ihe okwukwe pụrụ ịlụpụta n'akwụkwọ Ndị Hibru isi irinaotù. Ọlụ ebube dị icheiche ka anaalụ kwa taa site n'okwukwe -- ọrịa echere na agaghị agwọta kwa ya ọzọ ka anaagwọ; ndị mmehie kere agbụ ka anaanapụta. Okwukwe mgbe ochie naeweta ike mgbe ochie.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Jisọs na ndị náesoụzọ Ya ji gaa n'ọzara?
2. Gịnị bụ omume Jisọs mgbe Ọ hụrụ igwè mmadụ ahụ ka ha naabịa?
3. Gịnị ka O mere?
4. Òlee ihe ndị náesoụzọ Ya chọrọ ime banyere inye ìgwe mmadụ ahụ iheoriri, gịnị bụ kwa nzaghachi nke Jisọs?
5. Òlee ndị kere nri ahụ? Òlee kwa otú esi dozie ìgwè mmadụ ahụ?
6. Gịnị ka Jisọs mere n'abalị ahụ tupu Ya esonye ndị náesoụzọ Ya?
7. Gịnị bụ okwu nke Jisọs mgbe ndị náesoụzọ Ya tiri mkpu n'egwù?
8. Gịnị bụ itimkpu nke Pita mgbe ọ malitere imikpu?
9. Gịnị ka ndị ahụ nọ nime ụgbọ kwuru banyere Jisọs?
10. Gịnị mekwara ha ji kwue ụdị okwu ahụ?
11. Kpọọ aha ọlụebube dị icheiche nke Jisọs lụrụ n'iheọmụmụ a.